# IHEỊRỊBAÀMÀ MBỤ NKE JISỌS NA IME ỤLỌUKWU CHINEKE KA Ọ DỊ ỌCHA

**Jọn 2:1-25**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 28 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Agākpọ ulom ulo ekpere mba nile" (Mak 11:17).**

**Karị a Otù Nwoke**

Ijéozi n'iru ọra mmadụ nke Jisọs, Onyenweanyị, ka dị na mmalite mgbe O kpughere ike Ya karịrị ike niile nye ọra mmadụ ahụ. O gosipụtara na Ya karịrị otù nwoke onye bịara ibi dịka ihe nlereanya nye mmadụ ibe ya. Dịka anyị mụrụ n'ihe-ọ̀mụ̀mụ̀ ayị gara aga, Jisọs na Chineke ra otù site n'òkìkè ụwa. Nanị ihe O mere bụ ikwu okwu, ewee keè ụwa. Dịka ihe-atụ, ọ bụ ihe dị nta Ọkpara Chineke ime ka miri ghọọ manya, ma O sitekwara n'otù ike ịbụ chi ahụ mee ihe dị otú a.

**Kọsaara Jisọs**

Akpọwo Jisọs ịbịa n'ọlụlụ nwunye ahụ, Ya na nne Ya na ndị náesoụzọ Ya wee sorokwa jee. Dịka omen'ala si dị, ha kpọrọ oriri mgbe ọlụlụ di na nwunye ahụ gasịrị. Na mgbe náadịghị anya, manya kọrọ: ma mgbe Meri nụrụ na ọ sịrị Jisọs, "Ha enwegh manya vine." Mgbe ihe ọ bụla dị anyị mkpà ọ dị mma ka anyị kọọrọ ya Jisọs. Ọ dịghị Ya ụtọ mgbe ụmụ Ya naejégharị náakọsa na ha enwetaghị ihe niile ha naachọ. Ọ sịrị na Ya mazuru ihe niile náakpá anyị, ọ bụrụ kwa na anyị arịọ n'okwukwe Ọ gaenye anyị ya. Ya mere ọ bụrụ na anyị nwere mkpà maọbụ nsogbu, anyị aghaghị ịkọsara ya Jisọs; ma ọ bụrụ na o ziriezi na anyị gaanata ihe anyị naachọ, Jisọs gaenye anyị ya.

Anyị amataghị ogologo oge o were Meri na Jisọs ịkparịta ụka nke gosịrị na Jisọs bụ mmadụ pụrụ iche n'ebe ndịọzọ nọ, ma Mmụọ Nsọ agwawo yarịị tupu amụọ Jisọs naaga akpọ Ya Ọkpara nke Onye Kachasị ihe niile elu, na Ọ gaazọpụta ndị nke Ya na mmehie niile ha, na Alaeze Ya agaghị enwe ọgwụgwụ. O "debere ihe ndia nile ekwuru, nātughari ha n'obi-ya" (Luk 2:19). Ugbu a o were ya anya nkeọma na Jisọs nwere ike ime ihe niile ma pụ kwa inyere Onyeisioche nke oriri ahụ aka ịpụ n'ọnọdụ amataghị kwa ihe agaeme ahụ nke ọ nọ nime ya n'oge a.

**Nrubeisi Zuruòkè**

Meri gwara ndị náejeozi ka ha mee ihe ọ bụla Jisọs sịrị ha mee. Nke ahụ bụ ihenzuzo dị n'uzọ esi náanata ngọzi niile sitere n'Onyenweanyị. Jisọs chọrọ ka anyị bịakute Ya site n'ụzọ ahụ nke Ọ tọrọ ntọala ya site n'Okwu Ya. Ọ dịghị ụzọ ọzọ esi enweta nzọpụta karịa ịbịakute Jisọs ná nchègharị n'ihi mmehie niile anyị, rapụ kwa ha dịka Baịbụl kwuru. Mgbe Ndi Kraist naachọ ihe n'aka Chineke ha aghaghị ịbịa n'iji obi chụọàjà, n'ijikere ime ihe Ọ chọrọ ka ha mee. Mgbe ahụ agaakwụghachị ha ụgwọọlụ.

Mgbe Jisọs gwara anyị ka anyị mee ihe ọ bụla, O nwere olileanya na anyị gaeme ihe ahụ. Nnupuisi naeweta nsogbu, dịka ọ dịrị Jona mgbe Chineke ziri ya ka ọ gaa kwusaara obodo ọjọọ nke Nineve na agaje ibibi obodo ahụ. Ọ chọghị ịga, o wee soro ụgbọmmiri náaga uzọ ọzọ, naanwa ịgbapụ site n'ebe Chineke nọ. Ma anyị apụghị ịgbanarị Chineke.

Óké ebilimmiri malitere, ebili ya wee magharịa ụgbọmmiri ahụ rue mgbe ndị nọ nime ya chèrè na ha gaje imikpuemikpu. Jona ghọtara na mmehie ya achọpụtawo ya, ya mere ọ gwara ndịkom ahụ ka ha tụba ya nime mmiri na ebilimmiri ahụ gaakwụsị. Chineke akwadebeworị otù óké azụ̀ ilo Jona, ya mere ọ pụghị kwa imikpu n'osimiri ahụ. Chineke hụkwararị ya ka ọ naadaba n'osimiri ahụ nime n'afọazụ̀ ọ jụọ ya ma o jikèrèwo ịga ugbu a. Ma mgbe ụbọchị atọ ehihie na abalị gasịrị Jona ejikèrèwo irubere Chineke isi na ịga kpọsaara Ndị Nineve mkpọsa ahụ.

Chineke nwereike Ọ gaghị emeso anyị n'ụzọ siriike otú a; ma ọ bụ ihe dị egwu ịnụpụrụ Chineke isi, anyị agaghị ele anya ngozi Ya ma anyị mee otú a.

**Njikere Tutu Enweta Ngọzi**

Ọ gaabụworị ihe dịrị Jisọs mfé ịsị, "Ka manya di," mgbe ụfọdụ Chineke naachọ ka anyị buru ụzọ mee otù ihe. Mgbe ụfọdụ Jisọs naagwọ ndị ọrịa site n'ikwu sị "Ka eme ka idi ọcha" maọbụ "Bilie chiri ute-gi, jegharia," ma n'otù oge mgbe Ọ gwọrọ otù onyeisi O buru ụzọ gwọọ ájà were ájà ahụ tee n'anya ya abụọ wee gwa ya ka o jee saa miri n'ọdọmmiri ntà nke Sailoam. Mgbe onyeisi ahụ rubereisi, anya ya abụọ meghere o wee hụ ụzọ.

Mgbe anyị naabịakute Jisọs ka edoo anyị nsọ maọbụ ka anyị nata kwa ike Mmụọ Nsọ, Chineke chọrọ ka anyị were obi chụbiga àjà ókè. Oge ụfọdụ iji obi chụàjà niile ahụ naabụ nnọọ ịchụàjà nke pụtara ìhè n'ebe anyị nọ; anyị nwere ihe anyị gaeme tutu Chineke emezue ọchịchọ niile nke anyị mgbe anyị naeme ihe kwesịrị anyị ime, Chineke naeme kwa nke Ya.

**Akwụghachị rị Irubeisi Ụgwọọlụ**

Ndi ahụ na-eje ozi gbajuru ite ájà nile ahụ miri dịka Jisọs gwara ha mee, tụlee mgbagwoju-anya ha nwere mgbe ha kupụtara manya vine -- ezimanya, nke dị ụtọ karịa nke ha buworo ụzọ ñụọ!

Okwu ahụ sịrị na onyeisi oriri ahụ amataghị ebe ezi manya ahụ si pụta, ma ndị ahụ náejéozi matara. Anyị matara nkeọma na ha gwara mmadụ niile nọ n'ebe ahụ, ma ihe edere n'Akwụkwọnsọ náekwu na ọ bụ náánị ndị náesoụzọ Ya kweere. Anyị matara na ọtụtụ oge mgbe nke a gasịrị na Jisọs lụrụọlụ ebube dị icheiche, ma ndị mmehie ekwenyeghị na Ya.

Anyị naahụ kwa ihe dị otú a náeme n'ụbọchị taa. Otù onye nwereike ịnọ n'óké ọrịa maọbụ merụọarụ, ma onye náekweghị ekwe gaasị, "Ọ bụrụ n'arụ adị nwoke a mma m'ga-ekwere na ọ bụ Chineke gwọrọ ya"; ma mgbe alụsịrị ọlụ ebube ahụ, ọ gaasị, "ọ bụghị ihe dị oké ọjọ dịka ayị chere na ọdị." Ndị mmadụ achọghị ikwenye na Jisọs nke mere na ha náagbalị ime ihe ọ bụla ha nwere ike iji gọnarị ọlụebube Chineke naenye ndị ahụ naekwere náasọpụrụ kwa Ya ngọzi dị ebube.

Jisọs Onye anyị naefè lụrụ ọlụebube anaapụghị ịgụtaọnụ mgbe Ọ nọ n'ụwa. Jọn sịrị "Ọ buru na edere ha n'akwukwọ n'otù n'otù, ọ dim ka ọbuná uwa onwe-ya agaghi anāgide akwukwọ agēde." Ná Ndi Hibru anyị gụrụ, "Jisọs Kraist di otù aka ahu nyahuru na ta, e, ru kwa mgbe ebigh-ebi." Ọlụebube niile ahụ nke Jisọs lụrụ n'oge garaaga ka anaalụ kwa n'ụbọchị taa n'etiti ndị kwere na Ya. Òlee ọlụebube dị ukwuu karịa nzọpụta nke onyemmehie site n'ala ebe mmehie wedara ya wee náebi kwa ndụ ziriezi site n'ụbọchị ahụ gaa n'iru? Ọ bụghị ihe siiri ezi OnyeKraist ike ikwere na Jisọs mere mmiri ka ọ ghọọ manya.

**Emerụrụ Ụlọukwu Chineke**

Ememe Ngabiga bụ ihe anaeme otù ugbò n'arọ nime Jerusalem, oge a bụ kwa oge ya n'arọ ahụ. Ememengabiga ahụ kwesịrị ịbụ ememe dị mkpà mgbe Ndị Ju niile naecheta otú Chineke sitere n'ụzọ dị ebube zọpụta nnanna ha, napụta ha n'orù nke Ijipt ihe karịrị puku arọ̀ abụọ gara aga. Ma Ndị Ju etufuwo mmetụta nke imemmụọ nke náadị n'ememe ahụ, wee site n'ime ncheta nke ememe ahụ náachọ ego.

Otù akụkụ nke ememe ahụ bụ onyinye nke nwaatụrụ "zuru-òkè nēnwegh kwa ntup." Ọ bụghị ihe dịrị èzinaụlọ dum mfé ịnaenweta ụdị nwaatụrụ ahụ nime obodo, ya mere ndị nchụàjà ahụ náedebe ụfọdụ ná mpụta nke ogige nke Ụlọukwu Chineke, tinyere anụmanụ ndịọzọ dị icheiche eji achụàjà n'oge dị icheiche n'arọ̀. Ndịakụkọ gwara anyị na ndị nchụàjà náekwesịghị ntụkwasịobi naajụ anụmanụ ahụ nke ndi bịara ifèòfùfè naeweta. N'iru abụọ ha na asị na o nwere ntụpọ, ma gbanwere ya, nye onye ahụ nke ha si na o nweghị ntụpọ, narakwa ụma ego ya. Mgbe ahụ ha gaeresị onyeọzọ nke ahụ ajụrụ ajụ n'ọnọdụ nke zuruókè. Ha naeme ihe ndịa niile ka ha wee nweta ego.

Jisọs bụ "Onye Nazaret ahu di nwayọ n'obi na onye ewedara n'ala," ma ọ dịghị kwa mgbe ọ bụla Ọ naachọrọ Onwe ya aha maọbụ nsọpụrụ. "Onye, mgbe anēkwutọ Ya Ọ digh ekwutọghachi ọzọ." Ma mgbe Ọ hụrụ na adịghị asọpụrụ Ụlọukwu Chineke, hụ ịkwáemò na ụma ọjọọ nke ndị ahụ náazụ ahịa, O biliri n'iwe wee chụpụ ha niile ezi, ha na anụmanụ ha niile, wee kpue tebụl ndị náagbanwe ego iru n'ala. Wee tie mkpu, "Unu emela ulo Nnam ka ọ buru ulo ahia." Na Matiu ka edeworo "Agākpọ ulom ulo ekpere; ma unu onwe-unu nēme ya ọgbà ndi nāpunara madu ihe." Nke a naegosi anyị otú anyị gaesi nwee nleruanya idebe ụlọChineke nsọ wee ghara ime ihe ọ bụla náagaghị enye ya nsọpụrụ.

**Ikpé Ziriezi Maọbụ Ebere**

Mmadụ gaechèworị na ebe ìgwè mmadụ nọ nime Ụlọukwu Chineke na ha pụrụ ikekọta onwe ha imegide Jisọs; ma mgbe ikpé nke Chineke pụtara ìhè o nweghị ihe mmadụ gaeme ịkwụsị ya. N'ụbọchị nke ikpé ikpeazụ ndị mmehie niile gaeti mkpu ka nkume na ugwu dakwasị ha izopụ ha site n'iwe nke Chineke náabịa, ma n'ụbọchị ahụ ọ dịghị ihe gaegbochi ọnụma nke iwe Ya. Ugbu a Ọ bụ Onye ebere ma náagbaghara onye ọ bụla gaakpọku Ya; ma mgbe ụbọchị nke ebere Ya gaagabiga, ọ dịghị ihe pụrụ ịkwụsị ikpé eziomume Ya megide ndị ahụ náemebi iwu.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ì chere na nne Jisọs lere Ya anya ịlụ ọlụebube?
2. Ndị ahụ náejéozi hà matara onye ahụ mere mmiri ka ọ ghọọ manya?
3. Gịnị ka onyeisi oriri ahụ kwuru banyere manya ahụ?
4. Kraist Ọ̀ lụworị ọlụebube ọ bụla tutu oge a?
5. Òlee ụzọ anyị gaesi doo onweanyị nime Ụlọukwu Chineke?